# NNYOCHA NZIPỤTAHIE OMENALA IGBO N'EJIJE NỌLỊWUDU: MMETỤTA YA N'ETITI ỤMỤAKWỤKWỌ SỊNỊỌ SEKỌNDỊRỊ

**Gloria Ngozi Ugbor**
**Department of Arts Education/Centre for Igbo Studies,**
**University of Nigeria, Nsukka**
**ugbor.gloria@unn.edu.ng**
**08067280506**

**&**
**Charity Ijeoma Ogbu**
**Department of Arts Education,**
**University of Nigeria, Nsukka**
**charity.ogbu@unn.edu.ng**
**08067638507**

***Ụmị***
*Nchọcha a lebara anya na nnyocha nzipụtahie omenala Igbo n'ejije Nọlịwudu na mmetụta ya n'etiti ụmụakwụkwọ sịnịọ sekọndịrị. Ime nchọcha a bụ ihe dị oke mkpa n'ihi omenala Igbo a na- ahụta site n'ihe ejije Nọlịwudu edoghị anya ma ọ na- egbo mkpa inyefe omenala Igbo n'aka ndị na-eto eto. Ajụjụ nchọcha abụọ ka e ji mee nchọcha a. Ndị nchọcha gbasoro usoro nkọwa sọvee wee mee nchọcha ha. Ndị e jiri mee nchọcha kpọm kwem bụ ndị isi nkuzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị, bụ nke ndị nchọcha gbasoro usoro nhọrọ dị ọtụtụ gụnyere usoro nhọrọ nha na usoro nhọrọ ebumnobi wee họpụta. Ngwa e jiri mee nchọcha bụ njụmaza, nke ihe e depụtara na ya dị iri abụọ na abụọ (22) n' ime nkeji abụọ. Ngwa nchọcha a bụ nke ndị ọkachamara lebara anya na ya. Ndị nchọcha lelere ịnọgide n'ọnọdụ nke agbanweghị ngwa nchọcha site n 'iji usoro ntụcha data a na-akpọ Cronbach 's Alpha na Bekee, ma e nwetara akara 0.75. E jiri ntụcha miin na ndịpụ n'izugbe wee nweta ọsịsa njụmaza e ji wee mee nchọcha. Nchọcha gosiri na ụzọ dị iche iche e si ezipụtahie omenala Igbo site n'ihe ejije Nọlịwudu gụnyere izipụta omenala Igbo ka omenanrọ, nzipụta usoro alụmalụ ọdịnala dịka ihe bụ arụ n'ala Igbo, ime ka a hụta ndị Igbo ka ndị ajọ mmadụ, ego na akụnụba ka mkpa karịa ụmụnne ma ọ bụ mmadụ ibe ha na ndị ọzọ. Nchọpụta nke ikpeazụ gosiri na mmetụta nzipụtahie omenala Igbo site n'ihe ejije Nọlịwudu nwere n'ebe ndị ntorobịa nọ n'oge a nkanụzụ jupụtara ebe niile gụnyere na ọ na- eme ka ha nwee ọgbaghara n'ebe inweta ezi akara njirimara omenala Igbo dị, ọ na- eme ka ndị ntorobịa na- ahụta omenala Igbo ka ihe ezighị ezi, ihe agbaochie n'ekwesighị ịtụkwasịobi, ọ na-egbochi ha ịmata ihe gbasara akara na ngwa ọdịnala Igbo na ndị ọzọ. Ndị nchọcha tụtara alo mkpa ọ dị ịhụ na ndị na-ahụ maka mmepụta ejije kwesiri inwe iwu mgbadoụkwụ ga- enyeaka inyocha na ịhazi ihe ejije ọbụla gbasara omenala Igbo iji hụ na ọ dabara n'ụzọ ebimndụ ndị Igbo na ndị ọzọ.*

***Ọkpụrụkpụ okwu:*** *Omenala Igbo, ejije Nọlịwudu, nzipụtahie omenala Igbo, ndị ntorobịa*

**Abstract**
This study analysed the Nollywood portrayal and misinterpretation of Igbo culture and its impact on the senior secondary school students. Two research questions guided the study. A survey research design was used for the purpose of the study. The population comprises all the Igbo language teachers in South East Nigeria. A multi stage sampling techniques was adopted in selecting 84 head Igbo language teachers used for the study. A 22-item statements questionnaire were used to collect data from the respondents. The instrument was validated by two experts in Igbo language and one from Measurement and Evaluation, all from the University of Nigeria, Nsukka. The instrument yielded reliability co-efficient of 0.75 using Cronbach Alpha method. The results were analyzed using mean scores. The findings reveal a glaring disconnect between the cinematic representation of Igbo culture and the actual lived experiences of the Igbo people as Igbo Igbo are misrepresented in different ways, showing that Igbo oele love wealth than life, that Igbo traditional marriage is fetish among others. The result revealed that revealed that the perceived effects of this misintereretation is making the younger ones percieve Igbo culture as taboos, acheic, outdated, worthless among others. The study recommends

that Nollywood filmmakers should engage in extensive research and consultation with Igbo cultural experts to ensure accuracy and authenticity in their portrayals among others.

**Keywords:** Nollywood portrayal, misinterpretation, Igbo culture, its impact

**Mkpọlite**

Obodo ọbụla dị n'Afrịka nwere omenala e ji mara ha, n'otu aka ahụ, ndị Igbo nwere omenala nke ha. Omenala bụ ihe dị oke mkpa na ndụ ndị Igbo ma nke a mere na a na-echekwa ya maka inyefe ya n'aka ndị na-eto eto iji nata ntọala ebimndụ zuru oke dịka nwafọ Igbo. Omenala Igbo bụ ihe a mara juputara n'ezi ntọala, gbasara aka ma bụrụ ngwa nkwụdosike nwere mgbọrọgwụ n'ọdịnala, ihe mmụọ na obodo. Nke a mere Obi (2019) ji kọwaa na omenala Igbo gbadoro ukwu n'ihe gbasara obodo, nkwanyere ndị okenye ugwu na ọtụtụ ọdịnala. Omenala Igbo gbasara aka, ma nke a gụnyere ndị a:

Asụsụ: Asụsụ bụ isi sekpụntị omenala Igbo: Nke a mere Njoku (2020) ji kọwaa na asụsụ na omenala bụ otu nke na ha enweghị nkewa. Mmadụ ịmata ihe gbasara asụsụ Igbo gụnyere ịmata etu e si eji asụsụ Igbo eche ma na - ezipụta echiche, ma ọ bụ n'okwukwu ma ọ bụ odide. Ọ gụnyekwara ịmata ihe gbasara nka okwu dị iche iche dịka ilu na akpalaokwu, oge e ji ezipụta ya.

Ọdịnala Igbo *(Igbo tradition)*: Nke a gụnyere ọdịbendị na mmeremme omenala ndị Igbo nke a na-enyefe site n'aka fere aka iji hazie akara njimara ndị Igbo na ụzọ ebimndụ obodo ha. Ịmaatụ- emume ngafe *(rite of passage)* dịka ịwa akwa, emume ịlụ nwaanyị (Ekwuazi, 2019).

Ezi ụkpụrụ omenala Igbo *(Igbo cultural values)*. Ihejirika (2020), kọwara na ezi ụkpụrụ bụ iwu mgbadoụkwụ e ji ahazi ma na-echekwaba ezi akparamagwa mmadụ, iwu na-enyeaka inwe mkpebi gbasara ihe ọbụla, iwu na- echekwa mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ịmaatụ ịkwanyere ala na ndị okenye ugwu, ịmata mkpa na njikọnụ ụmụnne, ụmụnna na obodo onye dị.

Ọdịbendị *(Igbo customs)*: Nke a bụ mmeremme na agwa e ji ezipụta usoro mmekọrịta na ndụ mmadụ na mmekọrịta nke obodo. ịma atụ. ịwa ọjị bụ nke na-egosi akara nnabata na nkwanyere ugwu. Ọfọ bụ nke na-egosi ọchịchị na ikike.

Mmereme omenala Igbo (*Igbo cultural practices*): Nke a gụnyere mmereme na agwa dị iche iche e ji ezipụta ezi akparamagwa, ọdịnala na ọdịbendị. Ịmaatụ- mmeremme mmọnwụ, mmereme ịgba mgba.
Nsirihụndụ ndị Igbo *(Igbo filọsọfị)*: Nke a bụ ihe na-ezipụta mgbadoụkwụ nhụtara ndụ ndị Igbo dịka o si gbasata nkwenye nke okike ụwa, ụkpụrụ ebimndụ na iwu mgbadoụkwụ ebimndụ. Ịmaatụ- Ndị Igbo kwenyere na 'Onye aghala nwanne ya', Igwe bụ ike.

Nkwenye ndị Igbo *(Igbo beliefs)*: Nke a bụ mpaghara omenala Igbo gbadoro ụkwụ n'okpukpere chi na nhụtara okike nke ụwa ma bụrụ ihe na-enyeaka ahazị mmereme nke mmadụ. Ịmaatụ

- Nkwenye na Chukwu dịka onye okike kachasị dị elu kere ihe niile,
- Nkwenye na ọfọ na ogwu bụ ihe na-ezipụta ọchịchị na ikike tinyere ikpe nkwụmọtọ nke na-egosi aka ịkwụ ọtọ, nhụtara nhatanha na ịdị mfe,
- Nkwenye na Ikenga bụ ihe na-egosi chi nwoke na akaraka ya,
- Nkwenye na ala bụ ihe na-egosi akwa ọmụmụ na mmịta (*fertility)*,
- Nkwenye na ọbara bụ ihe na-egosi njikọta na nkwado, ma nke a dị ire n'etiti ụmụnne, ụmụnna, obodo. N'ala Igbo, ezinaụlọ bụ ndị ọbara jikọtara ọnụ, nke a mere na ụmụnne bụ ndị ọbara jikọtakwara ọnụ ebe ụmụnna bụ ndị si n'otu agbụrụ,
- Igosipụta na ndụ bụ ihe dị asọ, e kwesiri ichekwa ma kwanyere ugwu. Iji gosipụta na ndụ bụ ihe dị asọ mere na a na-ahụta onye gburu mmadụ ka onye gburu ọchụ, onye tere afọ ime, ka onye mere arụ n'agbanyeghị ma ọ bụ nwagbọghọ ma ọ bụ nwaanyị nọ na di.

Akụkọ okike na akụkọ nkọkịrịkọ *(Igbo myth)* na akụkọ ifo: Nke a bụ mpaghara omenala e ji akọwa mmalite na ọdịdị okike nke ụwa, chi dị iche iche, na ihe gbasara mmadụ (*humanity in Igbo culture*). Ịmaatụ - akụkọ gbasara ala (*myth of* Anị), akụkọ gbasara mmadụ pụrụ iche dịka Eri bụ nna ndị Igbo, tinyere akụkọ ifo e ji akụziri ụmụaka ihe gbasara ntọala ebimndụ ndị Igbo.

Ịkwa nka na ọrụ aka ndị ọzọ dị iche iche (*Igbo arts and crafts)*: Nke a gụnyere ọrụ akpụrụakpụ dịka ite, apịrịapị dịka ikenga, ekwerekwe dịka akwụete, atụrụatụ dịka ikwe, na ekwe, akparakpa dịka mgba olu dị iche iche. Ọrụ aka ndị Igbo ọzọ gụnyere ịkụ azụ, ịkọ ugbo, ite nkwụ, ịgụ na ịgba egwu dg
Nri ndị Igbo dị iche iche dịka akpụ, ji, osikapa, unere, ede, ọna, na ndị ọzọ tinyere ụdị ofe dị iche iche dịka egusi, olugbu, ofe nsala, ofe ọgbọnnọ, ofe akwụ, na ndị ọzọ.

Omenala ndị Igbo a dị iche iche ka a hụtara n' ejije Nọlịwudu bụ ezi ngwa maka ngosipụta na nchekwaba ya ka e nweike inyefe ya n'aka ndị na-eto eto (Chukwuma, 2020). Koriehh (2018) na Akpabili (2019) hụtara na nọlịwudi bụ otu na-ezipụta ihe ejije dị iche iche e ji akụzi ihe ndị na-eme ma ọ bụ mmere na ndụ mmadụ, n'ala mmụọ ma ọ bụ akụkọ ụwa nrọ iji wee gosi, kọwaa, gbasaa, nnyefe, kụzie, mmụta ma chekwaba omenala na ọdịnala Igbo ndị a niile. Dịka o si gbasata iji ejije Nọlịwudu igosipụta omenala, omenala ndị Igbo abụrụla ihe a hụtara dịka ihe ejije Nọlịwudu ụfọdụ na-akọwahie, ezipụtahie tinyere inye nhụtara n'abụghị etu o si dị n'omenala Igbo (Adesokan, 2020). Jegede (2019) kọwara na ụfọdụ ebe ihe ejije Nọlịwudu zipụtahiere ihe gbasara omenala gụnyere ndị a:

- Ịtụ ilu Igbo ebe o kwesighị: N'ejije Nọlịwudu 'The Kings Bride- (2018), Ilu a tụrụ ebe ahụ bụ 'Igwe bụ ike'- adabaghị, n'ihi na e ji ya zipụta na Igwe obodo bụ naanị onye nwere ike (*power belongs to the King*), mana a bịa n'omenala Igbo, nke a pụtara na njikọnụ na mmekọrịta dị mkpa *(Unity is strength*).
- Izipụtahie ihe gbasara usoro alụmalụ n'ala Igbo: N'ihe ejije Nọlịwudu 'The wedding party- (2018), Usoro alụm nwaanyị e gosiri ebe ahụ abụghị usoro e ji alụ nwaanyị n'ala Igbo, n'ihi na e gosipụtaghị nnukwu ọdịnala ndị Igbo gụnyere iche ọjị na ịkwụ ụgwọ isi nwaanyị. Ihe ejije ahụ na-egosi n' ịgbaso usoro omenala lụọ nwaanyị bụ ihe agba ochie gbadoro ụkwụ n'okpukpere na ofufe arụsị.
- Izipụta ndị Igbo dịka ndị enweghị ezi nhụtara na ntụkwasị obi: N'ejije Nọlịwudu 'The Igbo Man- (2017)- zipụtara ajọ nhụtara nye ndị Igbo site n'igosi na ha hụrụ ego na akụnụba n'anya karịa nwanne na ezinaụlọ ha (Larkin, 2018).
- Izipụta ihe abụghị ekike ndị Igbo.: N'ejije Nọlịwudu 'Igbo kwenu- (2017'- e zipụtara ebe ndị nwoke yi akwa isiagụ, mana agwụgwa ya na eserese o bụ adabaghị dịka ezigbo akwa isiagụ ndị Igbo.
- Igosi na ajọ akparamagwa ka e ji maziri ndị Igbo (*Bad traditional values)*: N'ejije Nọlịwudu 'The Kings Bride- (2018), e zipụtara agwa na- egosi na ndị Igbo na-anabata mkpari ndị okenye etu o si masị ya, ma nke a abụghị ntọala ebimndụ ndị Igbo.
- Izipụta omenelu ụwa nrọ dịka omenala Igbo: N'ọtụtụ ejije Nọlịwudu dịka 'Royal Inheritance - (2017), 'Royal Marriage- 2016', The Throne- 2025, 'Kings daughter-( 2017), e zipụtara ebe Igwe n'amụtaghị nwa nwoke (Olu Jacobs), kere nwa ya nwaanyị di, iji hụ na o chekwara oche eze ya site n'ime ka nwoke ga- alụ ya nnọchi anya ya dịka eze mgbe ọ nwụrụ. Omenala a ka a hụtara ka omenanrọ, n'ihi na ọ gaghị abịanwụ na mmejupụta n'ala Igbo.
- N'otu aka ahụ, ejije Nọlịwudu ndị ọzọ ebe a na- ezipụta aha ndị Igbo na-aza n'ụzọ ezighị ezi (My Igbo brother- (2019), ebe a na-ezipụta ihe n'abụghị nri ndị Igbo -osikapa(*rice*) dịka ebe ndị Igbo ji ya eme omenala na ndị ọzọ.

Izipụta omenala ndị Igbo a site n'ihe ejije Nọlịwudu n'ụzọ n'ezighị ezi, dịka ọ na - eweta ọtụtụ mmadụ isite n'ejije nọliwudu ñomie omenala, ọdịnala na ụkpụrụ ebimndụ nke n' agbadoghị ụkwụ na nkwenye na omenala Igbo. Ọnọdụ dị etu a nwereike iwetala mmetụta dị njọ dịka mkpochapụ omenala, ịtụfu akara njirimara agbụrụ na obodo tinyere usoro mmekọrịta ndị Igbo. Ka o sila dị, ndị nchọcha chọrọ ịmata etu isi n'ihe ejije Nọlịwudu a zipụtahịe ihe gbasara omenala Igbo si enwe mmetụta n'ebe ndị na-eto eto nọ.

**Nsogbu Nchọcha**

Izipụtahie na ịkọwapụtahie omenala Igbo site n'ihe ejije Nọlịwudu, bụ ihe dị oke mkpa ilebara anya. Etu e si ezipụta omenala Igbo n'ọtụtụ ihe ejije Nọlịwudu na-atụgharị nhụtara omenala Igbo dịka ihe n'ezighị ezi, ihe n'ezughị oke tinyere ihe n'ekwesighị inwe ntụkwasiobi. Ọnọdụ izipụta omenala Igbo dịka omenaelu pụtara ihe n'ọtụtụ ihe ejije Nọlịwudu, n'ebe a na-ezipụta ịgbaso usoro omenala Igbo lụọ nwaanyị ka ihe agba ochie na ihe ikpere arụsị, ebe a na- egosi na ndị Igbo hụrụ ego n'anya karịa nwanne

ha, ebe a na- ezipụtahie ihe gbasara nri, ekike, asụsụ, ndị Igbo na ndị ọzọ. Ọnọdụ nzipụtahie ihe gbasara omenala Igbo n'ihe ejije Nọlịwudu eweghị anya ma ọ bụ ya na-enyeaka n'ikpochapụ ihe gbasara omenala, eweta ajọ akparamagwa tụmadị n'etiti ndị ntorobịa, ekpochapụ ezi ụkpụrụ na akara njirimara ndị Igbo. N'ihi nke a ka ndị nchọcha ji chọ inyocha nzipụtahie omenala Igbo site n'ihe ejije Nọlịwudu na mmetụta o nwere tụmadị n'ebe ndị na- eto eto nọ.

**Ajụjụ Nchọcha**

Ajụjụ nchọcha abụọ ka e ji eme nchọcha, ha bụ:

1. Kedu ụzọ dị iche iche e si ezipụtahie omenala Igbo site n'ihe ejije Nọlịwudu?
2. Kedu mmetụta nzipụtahie omenala Igbo a site n'ihe ejije Nọlịwudu nwere n'ebe ndị ntorobịa nọ n'oge a nkanụzụ jupụtara ebe niile?

**Usoro Nchọcha**

Ụdị nchọcha ọmụmụ a bụ usoro sọvee nkọwa. Nworgu (2016) hụtara usoro sọvee nkọwa dịka usoro na- akọwa isiokwu, agwa ma ọ bụ ihe a na-ahụta gbasara ndị e ji eme nchọcha n'usoro n'usoro, n'agbakọnyeghị ma ọ bụ iwepu ihe ọbụla n'ihe a na-ahụta anya oge ahụ a na-eme ya bụ nchọcha. Ndị nchọcha hụtara ụdị nchọcha a, dị ka ihe dabara n'isiokwu nchọcha ha, ebe ọ bụ na nchọcha a nwere mmasị n'ịnyocha mmetụta nzipụtahie omenala Igbo a site n'ihe ejije Nọlịwudu nwere n'ebe ụmụakwụkwọ sịnịọ sekọndịrị nọ. Ndị e ji mee nchọcha bụ ndị nkụzi na- akụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sịnịọ sekọndịrị na mpaghara Ọwụwa Anyanwụ Naịjirịa. Ndị e jiri mee nchọcha kpọm kwem bụ ndị isi nkuzi asụsụ Igbo dị iri asatọ na anọ bụ nke ndị nchọcha gbasoro usoro nhọrọ dị ọtụtụ gụnyere usoro nhọrọ nha na usoro nhọrọ ebumnobi wee họpụta. Ngwa e jiri mee nchọcha a bụ njụmaza bụ nke ihe e depụtara na ya dị iri abụọ na abụọ (22) n' ime nkeji abụọ. Ndị nchọcha lelere ịnọgide n'ọnọdụ nke agbanweghị agbanwe site n'iji usoro ntụcha data a na-akpọ *Cronbach's Alpha* na Bekee, ma e nwetara akara 0.75. E jiri ntụcha miin na ndịpụ n'izugbe wee nweta ọsịsa nchọcha. Ihe e guzobere maka ịnweta ihe nchọcha bụ nke gbadoro ụkwụ n'usoro liketị ma ihe mpụtara ya bụ nke a KKI – kwere kwesie ike, KE – kwere ekwe, JA – jụrụ ajụ, JKK – jụrụ kpam kpam bụ nke e nyere akara 4,3,2,1. Ọsịsa ọbụla e nwetara pekarịrị 2.50 gosiri ekweghị ekwe, ebe ọsịsa nke ruru akara 2.50 ma ọ bụ karịa gosiri ịguzosi ike kwem ma ọ bụ kwere ekwe bụ nke gbadoro ụkwụ etu e si wee hazie ajụjụ nke ọbụla.

**Nchọpụta**

Ihe e nwetara site na nchọcha ka e zipụtara na tebul abụọ dịka o si gbasata ajụjụ nchọcha abụọ ndị nchọcha guzobere.

**Ajụjụ nchọcha 1**: Kedu ụzọ dị iche iche e si ezipụtahie omenala Igbo site n'ihe ejije Nọlịwudu?
Tebul 1: Miin echiche ndị nkuzi n'ịmata ụzọ dị iche iche e si ezipụtahie omenala Igbo site n'ihe ejije Nọlịwudu?

| S/N | Ụzọ dị iche iche e si ezipụtahie omenala Igbo site n'ihe ejije Nọlịwudu: | Miin | Ndịpụ n'Izugbe | Mkpebi |
|---|---|---|---|---|
| 1. | Izipụta omenala Igbo ka omenanrọ, n'ihi na ọ gaghị abịanwụ na mmejupụta n'ala Igbo, ịmaatụ Ọgọọ eze nwoke ịnọchị anya eze mgbe ọ nwụrụ. | 2.90 | .76 | Kwere ekwe |
| 2 | Nzipụta mkpari okenye ka ihe bụ ezi ntọala ebimndụ n'ala Igbo. | 2.63 | .50 | Kwere ekwe |
| 3 | Nzipụta usoro alụmalụ ọdịnala dịka ihe bụ arụ n'ala Igbo. | 2.58 | .49 | Kwere ekwe |
| 4 | Inwe ọgbakọ omenala Igbo ma agọghị ọjị. | 2.91 | .71 | Kwere ekwe |
| 5 | Nzipụta ekike ndị Igbo n'ụzọ n'ezighị ezi. | 2.86 | .65 | Kwere ekwe |
| 6 | Igosipụta na osikapa bụ nri e ji eme mmemme ọdịnala n'ala Igbo. | 2.83 | .60 | Kwere ekwe |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| 7 | Ịkpodo asụsụ Igbo isi n'ala, nke n'enweghịzị echiche dị n'okwu. | 2.93 | .78 | Kwere ekwe |
| 8 | Iji nka okwu ma ọ bụ ilu okwu n'adabaghị adaba tụnye mgbe a na-akpa nkata. | 2.63 | .50 | Kwere ekwe |
| 9 | Izipụta akụkọ ala n'enweghị ka o si gbasata ndụ ndị Igbo iji kọwaa ala Igbo. | 2.52 | .64 | Kwere ekwe |
| 10 | Ime ka a hụta ndị Igbo ka ndị ajọ mmadụ, ndị ego na akụnụba ka mkpa karịa ụmụnne ma ọ bụ mmadụ ibe ha. | 2.60 | .68 | Kwere ekwe |

**Mkpoko Miin - 2.70**

Tebul nke mbụ a, gosipụtara echiche ndị nkụzi n' ịmata ụzọ dị iche iche e si ezipụtahie omenala Igbo site n'ihe ejije Nọlịwudu. Ihe e depụtara maka ajụjụ nchọcha nke a dị iri nke bidoro 1 – 10. Akara miin e nwetara n'ajụjụ nke ọbụla tinyere mkpoko miin bụ 2.70 karịrị kraiterịọn miin bụ 2.50, ma nke a gosiri na ihe ndị a niile e depụtara bụ ụzọ dị iche iche e si ezipụtahie omenala Igbo site n'ihe ejije Nọlịwudu.

**Ajụjụ nchọcha 2**: Kedu mmetụta nzipụtahie omenala Igbo a site n'ihe ejije Nọlịwudu nwere n'ebe ntorobịa nọ n'oge a nkanụzụ jupụtara ebe niile?

**Tebul 2: Miin echiche ndị nkuzi** na mmetụta nzipụtahie omenala Igbo a site n'ihe ejije Nọlịwudu nwere ebe ndị ntorobịa nọ n'oge a nkanụzụ jupụtara ebe niile?

| **Ọnụ ọgụ** | Mmetụta nzipụtahie omenala Igbo site n'ihe ejije Nọlịwudu nwere n'ebe ndị ntorobịa nọ n'oge a nkanụzụ jupụtara ebe niile | **Miin** | **Ndịpụ n'izugbe** | **Mkpebi** |
|---|---|---|---|---|
| **11** | Ọ na- eme ka ha nwee ọgbaghara n'ebe inweta ezi akara njirimara omenala Igbo dị. | 2.65 | .65 | Kwere ekwe |
| **12** | Ọ na- eme ka ndị ntorobịa na- ahụta omenala Igbo ka ihe ezighị ezi, ihe agbaochie n'ekwesighị ịtụkwasịobi. | 2.77 | .66 | Kwere ekwe |
| **13** | Ọ na-eme ka ha ghara inwe ntụkwasiobi n' onwe ha na ndị ha bụ. | 2.83 | .73 | Kwere ekwe |
| **14** | Ajọ nhụtara a ihe ejije nọliwudu na-ezipụta gbasara omenala Igbo na-ekewapụ ndị ntorobịa n'omenala na ọdịnala ndị Igbo. | 2.62 | .79 | Kwere ekwe |
| **15** | Ọ na-egbochi ndị ntorobịa ịnata ezi ụkpụrụ na nkwenye ntọala ebimndụ ndị Igbo. | 2.81 | .60 | Kwere ekwe |
| **16** | Ha anaghị asụnwu asụsụ Igbo n'agwakọghị ya na asụsụ Bekee ma ọ bụ pidgin | 2. 67 | .52 | Kwere ekwe |
| **17** | Ọ na-enyere ha aka inomi ọdịbendị na mmeremme ndị obodo ọzọ karịa nke ndị Igbo. | 2.57 | .65 | Kwere ekwe |
| **18** | Ọ na-egbochi ha ịmata ihe gbasara akara na ngwa ọdịnala Igbo. | 2.73 | .62 | Kwere ekwe |
| **19** | Ọ na-egbochi ha ịmata ihe gbasara nri ndị Igbo na usoro esimnri na erimnri n'ala Igbo | 2.71 | .60 | Kwere ekwe |
| **20** | Ọ na-egbochi ha ịmata ihe gbasara egwu na nka ndị Igbo. | 2.64 | .72 | Kwere ekwe |
| **21** | Ọ na-egbochi ha ịmata ihe gbasara nsịniwu mmekọrịta na agwa a tụrụ anya n'aka ndị ntorobịa. | 2.59 | .61 | Kwere ekwe |
| **22** | Ọ na-eme ka ha nwee nhụtara ọzọ gbasara akụkọ nkọkịrịkọ na akụkọ okike gbasara ndị Igbo | 2.73 | .62 | Kwere ekwe |

**Mkpoko Miin - 2.72**

Tebul nke abụọ a, gosipụtara echiche ndị nkụzi na mmetụta nzipụtahie omenala Igbo a site n'ihe ejije Nọlịwudu nwere n'ebe ndị ntorobịa nọ n'oge a nkanụzụ jupụtara ebe niile. Ihe e depụtara maka ajụjụ nchọcha nke a dị iri na abụọ nke bidoro 11 – 22. Akara miin e nwetara n'ajụjụ nke ọbụla tinyere mkpoko miin bụ 2.72 karịrị kraiterịọn miin bụ 2.50, ma nke a gosiri na ihe ndị a niile e depụtara bụ mmetụta nzipụtahie omenala Igbo a site n'ihe ejije Nọlịwudu nwere n'ebe ndị ntorobịa nọ n'oge a nkanụzụ jupụtara ebe niile.

**Mkparịtaụka**

Nchọcha gosiri na ụzọ dị iche iche e si ezipụtahie omenala Igbo site n'ihe ejije Nọlịwudu gụnyere izipụta omenala Igbo ka omenanrọ, nzipụta mkpari okenye ka ihe bụ ezi ntọala ebimndụ n'ala Igbo, nzipụta usoro alụmalụ ọdịnala dịka ihe bụ arụ n'ala Igbo, inwe ọgbakọ omenala Igbo ma a gọghị ọjị, nzipụta ekike ndị Igbo n'ụzọ n'ezighị ezi, igosipụta na osikapa bụ nri e ji eme mmemme ọdịnala n'ala Igbo, ịkpodo asụsụ Igbo isi n'ala, nke n'enweghịzị echiche dị n'okwu, iji nka okwu ma ọ bụ ilu okwu na-adabaghị adaba tụnye mgbe a na-akpa nkata, izipụta akụkọ ala n'enweghị ka o si gbasata ndụ ndị Igbo iji kọwaa ala Igbo, ime ka a hụta ndị Igbo ka ndị ajọ mmadụ, ndị ego na akụnụba ka mkpa karịa ụmụnne ma ọ bụ mmadụ ibe ha na ndị ọzọ. Nchọcha a yitere nchọcha Barber (2018), na Ihejirika (2020) bụ ndị gbadoro ụkwụ na ejije Nọlịwudu bụ ihe a tụrụ anya na ọ ga- enye aka chekwaba ihe gbasara omenala Igbo maka inyefe ya n'aka ndị na-eto eto, mana ka osiladị, na ihe ọ na-enyefe bụzị omenelu karịa omenala ndị Igbo. Ihe a chọpụtara were anya na ihe ejije Nọlịwudu ewetala nnukwu nkewapụ omenala Igbo site n'omenala Igbo a mara nke ọma. Nke a na- egosi na ọ bụ nnukwu ihe dị mkpa na ndị na-emepụta ihe ejije Nọlịwudu gbara mbọ laghachị azụ n'ebumnobi a tụrụ anya n'aka ha, bụ nke gbadoro ụkwụ n'isite n'ihe ejije ha zipụta omenala Igbo n'ụzọ kwesiri ka ndị na-etolite etolite nweike ịmụta, nnọmie ya maka ịhazi ezi akparamagwa na inwe ezi nchekwa. Site n'izipụta omenala Igbo n' ụzọ ziri ezi, ọ ga-enyeaka na nghọta, otito na, mgbasa omenala ga- akwalite ezi mmekọrịta n'obodo. Site n'ihe a chọpụtara, ihe ọ na- egosi bụ na omenala Igbo ihe ejije Nọlịwudu na- ezipụta bụ omenala agwarọgwa, n'ihi na ọ bụghị akara njirimara ndị Igbo.

Nchọpụta nke ikpeazụ gosiri na mmetụta nzipụtahie omenala Igbo site n'ihe ejije Nọlịwudu nwere n'ebe ndị ntorobịa nọ n'oge a nkanụzụ jupụtara ebe niile gụnyere na ọ na- eme ka ha nwee ọgbaghara n'ebe inweta ezi akara njirimara omenala Igbo dị, ọ na- eme ka ndị ntorobịa na- ahụta omenala Igbo ka ihe ezighị ezi, ihe agbaochie n'ekwesighị ịtụkwasịobi, ọ na-eme ka ha ghara inwe ntụkwasịobi n'onwe ha na ndị ha bụ, ọ na-ekewapụ ndị ntorobịa n'omenala na ọdịnala ndị Igbo, ọ na-egbochi ndị ntorobịa ịnata ezi ụkpụrụ na nkwenye ntọala ebimndụ ndị Igbo, ha anaghị asụnwu asụsụ Igbo n'agwakọghị ya na asụsụ Bekee ma ọ bụ pidgin, ọ na-enyere ha aka inomi ọdịbendị na mmeremme ndị obodo ọzọ karịa nke ndị Igbo, ọ na-egbochi ha ịmata ihe gbasara akara na ngwa ọdịnala Igbo, ọ na-egbochi ha ịmata ihe gbasara nri ndị Igbo na usoro esimnri na erimnri n'ala Igbo na ndị ọzọ. Nchọcha a yitere nchọcha Mccall (2017), Okome (2018), na Uchenna (2020) bụ ndị gbadoro ụkwụ na nzipụtahie omenala Igbo site n'ihe ejije Nọlịwudu na- ebute nnukwu ajọ nhụtara na agwa ndị mmadụ na-akpaso ndị Igbo na omenala ha. Site n'ihe a chọpụtara, ihe ọ na- egosi bụ na egosipụtaghị omenala Igbo dịka o si dị site n'ihe ejije Nọlịwudu bụ nnukwu ụzọ na-enyeaka na mkpochapụ omenala na akara njirimara ndị Igbo tụmadị n'etiti ndị ntorobịa n'ala Igbo.

**Mmechị**

Nchọcha a atụchaala ụzọ dị iche iche a na- esite n'ihe ejije Nọlịwudu ezipụtahie ihe gbasara omenala Igbo tinyere ụdị ajọ nhụtara nkọwahie a na-enye ndị mmadụ gbasara ndị Igbo na omenala ha nakwa nduhie ụzọ ndị mmadụ na-enweta ntọala ya site n'ụdị ejije ndị a tụmadị ndị ntorobịa. Ihe nchọcha na-egosi bụ na ọtụtụ omenala ndị Igbo a na- ezipụta site n'ihe ejije Nọlịwudu anaghị ezipụta omenala Igbo dịka ka e si eme ya n'ala Igbo. Nke a na- egosi na tupu ihe ejije Nọlịwudu ga- arụ ọrụ nchekwa na nnyefe omenala Igbo dịka a tụrụ anya na ọ ga- abụrịrị ihe ejije nwere ezi nhụtara na ọdịdị omenala Igbo.

**Ịtụ alo**

N'ihi ihe ndị a chọpụtara n'elu, ndị nchọcha tụtara alo ndị a:

1. Ndị na- ahazi ihe mmepụta ejije Nọlịwudu kwesiri ime nchọcha site n'aka ndị okenye mara ihe gbasara
omenala tupu ha emepụta ejije ọbụla gbasara omenala Igbo.

Iwebata asụsụ Igbo, ọdịnala na ọdịbendị n'ihe ejije kwesiri ịbụ n'ụzọ nwere ugwu na nsọpụrụ na ọ bụghị n'ụzọ iji ya kwaa emu ma ọ bụ katọọ ụzọ ebimndụ ndị Igbo.

2. Ndị na- emepụta ihe ejije Nọlịwudu kwesiri izipụta ihe mgbasa aka n'omenala Igbo n'ụzọ ziri ezi iji kụzie ọtụtụ ihe gbasara omenala Igbo.
3. Ndị na-ahụ maka mmepụta ejije kwesiri inwe iwu mgbadoụkwụ ga- enyeaka inyocha na ịhazi ihe ejije ọbụla gbasara omenala Igbo iji hụ na ọ dabara n'ụzọ ebimndụ ndị Igbo.
4. Ndị gọvmentị kwesiri ịkwado mmepụta ejije ọbụla gbadoro ụkwụ n'ịkwalite na nchekwaba omenala Igbo.
5. Ndị na-enye ihe nrite maka agbambọ na ngalaba mmepụta ihe ejije Nọlịwudu kwesiri ịgbado ụkwụ na ndị na-emepụta ejije omenala wee nye ihe nrite ahu

**Nrụaka**


Adesokan, A. (2020). Postcolonial African cinema: From political critique to cultural expression. *Journal of African Cinemas*, 12(1), 5-20.

Akpabli, K. (2019). Nollywood and the politics of representation. *Journal of African Media Studies,* 11(2), 131-146.

Barber, K. (2018). African film and the politics of representation. In J. Haynes (Ed.), *Nigerian video films* Ohio University Press.

Chukwuma, H. (2020). Igbo culture and the Nigerian film industry. *Journal of Igbo Studies,* 3(1), 1-12.

Ekwuazi, H. (2019). Nollywood and the challenges of cultural representation. *Journal of Nigerian Studies,* 2(1), 1-15.

Haynes, J. (2017). Nollywood: *The creation of Nigerian film genres*. Indiana University Press.

Ihejirika, W. (2020). The representation of Igbo culture in Nollywood films. *Journal of Film Studies,* 6(1), 1-10.

Jegede, O. (2019). Nollywood and the politics of cultural representation. *Journal of Cultural Studies*, 23(1), 1-12.

Korieh, C. (2018). *The Igbo and the Nigerian state: A study of the Igbo in Nigerian politics*. Peter Lang Publishing.

Larkin, B. (2018). *Signal and noise: Media, infrastructure, and urban culture in Nigeria*. Duke University Press.

McCall, J. (2017). Nollywood and the limits of informal trade. In P. Chuks Okpalaeke & J. McCall (Eds.), *Nollywood and the global south*. Peter Lang Publishing.

Njoku, C. (2020). The portrayal of Igbo women in Nollywood films. *Journal of Women's Studies,* 22(1), 1- 12.

Nworgu, B. G. (2016). *Educational research, basic issues and methodology*. Nsukka: Unipersity trust publishers.

Obi, E. (2019). Nollywood and the representation of Igbo culture. *Journal of Cultural Research,* 23(2), 147-162.

Okome, O. (2018). Nollywood and the challenges of cultural expression. *Journal of African Studies,* 19(1), 1-15.

Uchenna, U. (2020). The representation of Igbo culture in Nigerian films. *Journal of Film Studies,* 7(1), 1-10.